# ASỤSỤ IGBO NA MWULITE OBODO

**Ngozi G. Egonu**
School Of General Studies
Alvan Ikoku Federal College of Education, Owerri
ngoziegonu@yahoo.com

## ABSTRACT

When a lizard leaves the base of the tree, children will catch it. When a big tree falls, birds will surround the forest.There is no discussion of the growth and development of a nation in which language will be left out. The success, growth modernization and development, peace and stability of a people are attributable to language. It is said that language makes a nation which means that language is the most important ingredient and the first and foremost attitude to the development of a nation. Language is strength, without it, there shall be no understanding or progress among individuals. It is only when language spoken is understood that there is progress. Language is necessary for the building and sustenance of a nation. Anyone who learns his mother tongue well has learnt the traditions and custom of his people, because language is the cord that connects everything one does in life. What are the Igbo language and Nation Building? This paper examines the road through language that should not be followed, that hinders national growth, progress, liveliness and modernity particularly through the Igbo language. Remember that firewood in any land burns to prepare food for its citizen. Whatever name one gives his dog is what it bears. Whatever firewood people have is what cooks their food. This paper argues in favour of the importance of language in the various aspects of life in the Igbo nation. The Igbo people should love, cherish and apply their language in all spheres of life.

## Ụmị Edemede

Ngwere hapụ ukwu osisi, ụmụaka akpara ya aka. Oke osisi daa ụmụ nnụnụ eju ọhịa, o doro ewu na ọkụkọ anya na mmiri bụ ndụ azụ, o nweghị mgbe a ga-ekwu maka mwulite obodo na ọganiihu ma hapụ asụsụ. Na obodo na-aga n'ihu mepee emepe, nwee udo na nchịkọta, na ịdịnotu bụ asụsụ. A na-asịna asụsụ bụ obodo nke pụtara na asụsụ bụ isi sekpu ntị n'obodo ma bụrụkwa e jewe aghaghị na agamniihu na mmepe obodo. Asụsụ bụ "ike", ewepụ ya o nweghị onye ga-aghọta ibe ya, ọganiihu agaghị adị, ọ bụ onye sụọ nwanne ya aghọta ya bụ n'obodo na-aga n'ihu. Asụsụ dị mkpa maka mwube, mwulite obodo, onye mụtara asụsụ nne ya nke ọma, mụtara omenala ndị obodo ha, maka na ọ bụ asụsụ bụ ojiji ji ihe niile mmadụ na-eme na ndụ. Edemede a na-eleba anya n'ụzọ na-aghaghị isi n'asụsụ mee ka obodo na-eto eto, gaa n'ihu, kpoo ọkụ ma chakee, ọkachasị site n'asụsụ Igbo. Chetakwa na nkụ dị na mba na-eghere mba nri. Ihe onye kpọrọ nwa nkịta ya ka ọ ga-aza. Site na ngwaụlọ ruo na ndị a na-eyi n'ahụ, ndị e ji achọ mma, na ndị e ji arụ ọrụ dị iche iche, ma ọ bụ eri eri ha niile bụcha asụsụ nne nke e ji echepụta, ahazi, ewube, echekwa ma kọwapụta ha maka mwulite obodo. Site n'enyemaka ndị ọrụnka, ndịọkammụta, ndị ọmụmụ sayensị na nkanụzụ, ndị na-edepụta mpụtaraokwu na ọkọwaokwu ka asụsụ nne si eme ka sayensị na technụzụ na mbaụwa pụta ihe. Ndị na-ejighi asụsụ nne maọbụ asụsụ ogige kpọrọ ihe na-ewelara anyị aka elekere azụ. Ọ bụkwanụ onye ga-anapụta enwe iko o ji n'aka?

## Okwu Mmalite

Na Senchuri 21 (iri abụọ na otu) nke anyị nọ n'ime ya, asụsụ olu nne ma ọ bụ obodo bụ nke a na-etinyechaghị n'ọrụ maka mmepe na ọganiihu obodo n'ihi na a na-eleda ha anya dị ka nke na-apụghị iweta akụnaụba, sayensị na nkanụzụ. Asụsụ obodo na omenala na-abụ ọbịa nye ụfọdụ ndị n'ihi enweghị mmasị. Anyị ga-amata na asụsụ nne dị ka ụzọ mkparịtaụka na mmekọrịta na-enyere mmadụ aka iche echiche miri emi. Asụsụ olu nne na-eme ka e nwee mmepe obodo. Asụsụ nke ndị mbịarachịwa weteere anyị ndọghachi azụ na etoghi eto nke asụsụ anyị n'ihi na ọ bụ nke ha ka e ji azụ ahịa, enwe mkparịtaụka, arụ ọrụ gọọmenti, efe ofufe, agụ akwụkwọ, achị ọchịchị - ọ bụ asụsụ e ji eme ihe ọbụla. Akparamagwa ọjọọ nke ndị nne na nna, ndị gọọmenti, ụmụakwụkwọ, ndị ọchịchị, ndị ọkammụta na ndị ọha obodo na-eme ka asụsụ anyị ghara ito eto n'ihe gbasara ọganiihu nke obodo anyị. Naịjịrịa nwere ọnụ ọgụgụ asụsụ ruru narị anọ na iri itoolu na abụọ ruo nari ise (492-500). Usoro ọmụmụ ihe, agụmaakwụkwọ chọrọ ịzụpụta ndị ga-eme ka asụsụ mba maọbụ obodo n'ogo mmụta ọbụla gaa n'ihu. Elefuuru ọmụmụasụsụ anya nke bụ ụzọ e si echekwa, akwado, emegharị ma dozie ihe ọkpụ na ọdinala ndị a.

McCarthy, (2003) n'ime Egonu (2010) sị na asụsụnne na-arụ ọru na mmụta. Ụmụakwụkwọ jiri nke a mee ihe ọmụmụ dị ka nchọpụta siri gosi bụ ndị nwetara agbamume site n'asụsụ nne. Nchọpụta emeela ka a mara na ụmụakwụkwọ mere nke ọma na (mgbakọ na mwepụ (Mathematics) n'asụsụ Yoruba n'Isiro. Ọ bụ (Mahadum nke Ife mere nchọcha a n'ime afọ isii) n'ihi na e ji asụsụ nne kụziere ha ihe. Nchọcha ihe ọmụmụ Fafunwa, Afolayan (1976) n'ime Bewaji (2002) na ndị nke e jiri asụsụ Bekee na asụsụ nne kuziere emechaghị nke ọma Bakari (2009) Obanya (2002) n'ime Nwigwe (2010)). Agbada (2006) dere maka nchọcha Ojerinde (1979) mere maka ụmụakwụkwọ Yoruba ndị e jiri asụsụ nne kụziere ihe ọmụmụ maka mmekọrịta mmadụ na ibe ya (Social Studies). Ha mere nke ọma mụta ịgụ akwụkwọ n'onwe ha n'ụlọ karịa ndị nke e ji asụsụ Bekee kụziere. Nwata ọbụla chọrọ asụsụ nne (epum) asụsụ mmiri ara e jiri zụọ nwata iji mara ihe na-eme gburugburu ya, chọpụta nsogbu nọ n'ogige ya na ụzọ e si egbo ha.

Ugobueze (2010:10) sịrị na ọgụgụ na odide n'asụsụ obodo na-enye aka na mmekọrịta mmadụ na ibe ya, ihazi onwe, inwere onwe na ichemi echiche. Ndụmọdụ n'asụsụ nne na-eduba na nnagide, inwe obi gbasara agbasa, ịsọpụrụ na ịnabata ndị ọzọ na usoro ekpemekpe ha. Oyebade (1998) n'ime Prah chịkọtara nke a n'okwu ya sị: Hazie Amamihe na mmụta n'asụsụ nne ndị obodo... inweta amamihe ọhụrụ ga-adabere na nke ochie itinye n'ọrụ n'ihi na ọnọdụ mmekọrita ndi mmadụ na-ebi ndụ na ya.

Asụsụ obodo, asụsụ nne bụ ngwa ọrụ nke mkparịtaụka na nke mwulite njirimara obodo na nchekwa ihe ọkpụ na omenala ndị mmadụ. Asụsụ bụ ihe ọkpụ nne na nna na-ahapụrụ ụmụ ha. Seinde (1985:4-5) sịrị na asụsụ bụ ihe kacha mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ngosipụta, eserese, akpụrụakpụ, onyonyo dịcha mkpa na mmekọrịta ma ewezụga asụsụ o nweghị ụzọ a ga-esi kọwapụta mpụtara ihe ndị a. Asụsụ na-egosipụta ọganiihu na mmepe obodo ọchịchọ obi mmadụ, ọ bụ site n'asụsụ ka ihe niile a dị na ndụ dabeere. Sinclaire (1992) onye ndepụta Ọkọwaokwu Bekee nke BBC (1992:651) depụtara na a chọpụtala na asụsụ bụ ngwa ọrụ dị oke mkpa n'ọganiihu nke obodo. Ọ bụ ngwa ọrụ dị ukwuu Chineke nyere mmadụ iji chịa, bụrụ onye isi n'ebe ihe (ekereke) ndị ọzọ dị (Jenesis 1:26).

## Usoro Nchọcha ihe odide a (Theoretical Framework)

Igbaso usoro mwulite obodo nke Brubaker (1996b) maka obodo ndị mepere emepe ndị Western Europe (amụmamụ obodo) na makanke ndị agbụrụ Eastern Europe (maka agbụrụ) nwere usoro dị iche iche. N'ịgbakwasi ụkwụ n'usoro nchọcha Brubaker a, n'ederede a, ọ na-akọwa na a naghị enye agbụrụ ndị ime ime obodo ohere iso na ndọrọndọrọ ọchịchị na ịtụ vootu. Odee na-akọwa na n'ime agbụrụ ndị mepere emepe, asụsụ ha bụ ngwaọrụ siri ezigbo ike na-enye aka iwulite obodo. Ọ na-enyekwa ndị obodo ohere isonye n'ọchịchị onye kwuo uche ya na ịtụ vootu ọkachasi mgbe a tụgharịrị iwu obodo (constitution) n'asụsụ ha.

## Usoro Odide Igbo

Ndị Igbo nwere usoro odide ihe tupu ndị ọcha abịa n'ala Igbo. Anyị abụghị agbụrụ nzuzu ma ọ bụ ndị na-eme ụzụ ma ọ bụ mkpọtụ dị ka ha kwuru. Usoro odide a bụ Nsibidi nke sitere na Kros Riva, Anang, Efik na Ibibio rute ala Igbo, a hụrụ ya dị ka usoro odide (Igbo) ihe otu nzuzo. N'ime Igbo ga-adị (2006) ka e dere maka Onye ọcha T.D Maụwell mere nchọpụta maka nke a n'afọ 1904. Dị ka onye ndepụta, Paul Edwards (1967) nke bipụtara akwụkwọ a n'afọ 1996 kwuru maka nwafọ Igbo a bụ Ọlaụda Eọuiano, onye dị afọ iri na otu mgbe a tọọrọ ya dị ka ohu gaa Amerika na West Indies, bụ onye mbụ depụtara mkpụrụokwu Igbo n'akwụkwọ ya ọ ọkpọrọ "The Interesting Narrative of Gustavus Vassa, the African" n'afọ 1789. O mere ka a mara na o nwere akụkụ eluụwa a na-akpọ Igbo nke dị n' Afrika. Ala Igbo dị tupu e nwee obodo Naijirịa.

Asụsụ Igbo ejeela ije mkpụrụ ọsụ jere n'ime ite ofe. Etometo odide asụsụ Igbo malitere mgbe ndị ọrụ ụka na ndị ohu si Amerika na West Indies lọtara na Free Town dị na Siera Leone. E nwere Igbo Isuama -Ndị ọrụ ụka kụziiri ha odide mkpụrụokwu, Samuel Ajayi Crowther bụ onye isi ha. Ha dere 'Isuama Ibo Primer', Oku Igbo'. E ji Igbo Isuama dee ha. Ndị ọzọ bụ ndị Yunịọnụ Ibo nke T.J. Dennis na ndị otu ya nyere aka tụgharịa ọtụtụ akwụkwọ dị ka Akwụkwọ Nsọ, 'Pilgrim's Progress' n'Igbo. E mechara nwee Centralụ Ibo nke Ida na Ward. E nwere nsogbu n'oge a, onye ọbụla malitere iji asụsụ olundi ede akwụkwọ n'Igbo.N'oge a ka e nwere ndọrọndọrọ ọtọgrafị. Gọọmenti Ọwuwaanyanwu nke Naijiria pụtara gboo ọgụ a.

## Ọnọdụ Asụsụ Igbo Taa

Asụsụ Igbo bụ njirimara ndị Igbo. Ọ bụ asụsụ ụdaolu. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ ndị e nwere na Naijirịa etochaghị eto n'ihi e nweghị mmasị nke ndị nwe ya. Emenanjọ (1996:17), na nkụzi Odenigbo ya bụ 'OLUMEFULA' sịrị na asụsụ ọbụla na-eto na-aga n'ihu ma a na-asụ ya ebe niile na mgbe niile, were ya na-ede ederede dịgasị iche iche, ma na-akọwakwa ederede n'elu ụwa niile. A kwụsị ịsụ asụsụ ọbụla ya anwụọ, nwụnyụọ anya nwe.

Asụsụ Igbo bụ asụsụ obodo ndị Igbo bụrụkwa otu n'ime asụsụ atọ ndị di elu nke obodo Naijirịa. O si n'ezinaụlọ 'KWA' nke asụsụ Afrika pụta. A na-asụ Igbo na mpaghara ọwụwaanyanwụ Naijirịa. ọ bụ ndị Igbo nwe mana asụkwa ya. Steeti ndị na-asụ Igbo gụnyere ndị a: Anambara, Ebonyi, Enugwu, Abịa, lmo, akụkụ Delta na Rivas. E nwere ọtụtụ ọlundi (olumba) bụcha asụsụ Igbo n'olu dị iche iche. E nwere lgbo Izugbe nke onye ọbụla na-asụ na-aghọtakwa nke ọma.Igbo Izugbe ka e ji akụziri ụmụakwụkwọ ihe, agbasa ozi n'ikuku, ede edemede n'Igbo, ede akwụkwọ ọgụgụ n'Igbo dgz.

Ndị Igbo bụ ndị mpako, ha a naghị asụ asụsụ ha suruo ya n'isi. Bekee eriela ha amụsụ baa ha n'ụmị. Ma agadị nwaanyị, onye ọbụla na-asụnye bekee n'okwu ya. Lee ọmụmaatụ ndị a:

> Kedụ ihe ị na-achọ 'inside the bag'?
> Wetara m ego nọ 'on top of the table'.
> Ụmụaka a dị egwu, ha lụrụ ọgụ 'in the morning'.
> Achọrọ m akwụkwọ ahụ 'for writing my project'.

Ị maara na asụsụ Bekee ndị a e webatara n'ahịrịokwu ndị a nwechara ihe e ji edochi anya ha n'asụsụ Igbo, Omume a anaghị enyere asụsụ Igbo aka ito eto. Asụsụ ka e ji ama agbụrụ, agbụrụ ọbụla tufuru asụsụ ya efuola funyụọ anya. N'akwụkwọ 'Igbo ga-adị (2006:9) nwada Frances Nkeiru W. Pritchett (onyeọcha) bụ odeakwụkwọ nke SPILCA otu na-ewelite asụsụ na omenala Igbo n'Amerika dụrụ ndị Igbo ọdụ ka ha hụ asụsụ ha n'anya ma na-eji ya na-enwe mkparịtaụka ebe ọbụla o kwesịrị ka ọ ghara ịnwụ. Ọ sịrị:

> "...Asụsụ Igbo mara mma. Ọ dị mkpa ka anyị mee ka ọ nọgide
> na ndụ. Onye tufuru asụsụ ya efuola. Biko jisienụ ike".

Asụsụ Igbo jupụtara n'olundị dị iche iche. Obodo dị iche iche n'ala Igbo nwere olu nke ha. E nwere olu Ehugbo, Nsuka, Owere, Ndọkị, Ịka Igbo, Eche, Ọnịcha, Item, Asaa na Awara, dgz. Ọ bụ olundị ka ndị nwe ya na-asụkarị n'ime ime obodo dị iche iche. Ọ sị na olundị dị iche iche dị n'asụsụ Igbo.Tupu e nweta Igbo Izugbe nke e ji eme ihe taa, e nwere ndọrọndọrọ ọtọgrafị dị iche iche nke dọlara asụsụ Igbo azụ site n'afọ 1929 – 1961. N'oge a, a kwụsịrị ime ọmụmụ asụsụ Igbo, a naghị edekwa Igbo, a naghi ebipụta ya n'igwe.

Ndọrọndọrọ ọtọgrafị nke ndị ụka Fada na nke ndị ụka CMS kpọlara asụsụ Igbo azụ weta ọgbaghara dị ukwuu. O nweghị ihe na-aga nke ọma. Ọ bụ oge ndị kwe ndị ekweghị nọgidere asụsụ Igbo. Ụfọdụ dọnyeere ndị ụka Fada ukwu, ndị ji ọtọgrafị Adam na Ward ebe ụfọdụ dọnyeere ndị ụka CMS ukwu ndị ji ọtọgrafi Lepsius. Nke a mere e jiri nye iwu ka a kwụsị ibipụta akwụkwọ ọbụla n'Igbo tutu mgbendọrọndọrọ a kwụsịrị. Ọ bụ ihe dị otu a kpọlara mwulite na ntolite asụsụ Igbo azụ. Ndọrọndọrọ ọtọgrafi megidere ruo n'afọ 1949 mgbe nwafọ Igbo bu F.C. Ọgbalu jirihiwe otu na-ahụ maka ntolite asụsụ na omenala Igbo nke (SPILC) n'aha mkpirisi Bekee. Ọ bụ otu a kwụsịrị ndọrọndọrọ ọtọgrafị weere ọtụtụ afọ (1929-1961) haziri ọtọgrafị agba ọhụrụ nke onye isi ya bụ Dkt. S.E. Ọnwụ mere e ji akpọ ya Ọtọgrafị Ọnwụ Kọmiitii nke 1961. Ha kwalitekwara nkuzi na ọmụmụ Igbo site n'ụlọ akwụkwọ ntaruo ụlọakwụkwọ ukwu, ha mekwara ka asụsụ Igbo bụrụ asụsụ e ji enwe mmekọrịta na mkparịtaụka taa.

Ọtụtụ ndị mmadụ, ndị ọkammụta na Gọọmentị agbaala mbọ ka asụsụ Igbo bụrụ nke na-aga n'ihu. Ndị dị ka, M.N. Okonkwo, F.C. Ọgbalụ, E.Nolue Emenanjọ, Nwadike soro mee nke a. (Nsogbu bụ na ndị Igbo bụ ọgbakarịrị onye nwe nkwa). Ụfọdụụlọakwụkwọ ndị nọọrọ onwe ha ejighị ọmụmụ asụsụ Igbo kpọrọ ihe taa. A na-eme Igbo na Mahadum ugbu a dị ka ihe ọmụmụ ozuruọha (General Studies) n'afọ nke mbụMahadum. Ndị Federal University of Technology Owerri(FUTO) na ndị Alvan Ikoku Federal College of Education na-emekwa ya dị ka ihe ọmụmụ taa. E nwere otu dị iche iche nke Ahịajọkụ, otu Sụwakwa Igbo, Ọhaneze ndị Igbo. Ebe ha kwenyere 'n'igwe bụ ike ka e ji eme mgbalị niile ndị a. Gidigidi bụ ugwu eze. Ndị Igbo nwee ike ijikọta onwe ha ọnụ, mmeri ga-abụ nke anyị ọkachasị mgbe anyị ji asụsụ Igbo wulite obodo ala Igbo niile.

Nsogbu niile dakwasịrị ọmụmụ na odide asụsụ Igbo ka e jiri hiwe otu na nzukọ dị iche iche. Asụsụ di oke mkpa, ọ na-akụzi omenala n'ụzọ dị iche iche, ụzọ ndụ, nkwenye, echiche site n'ọgbọ ruo n'ọgbọ, ọ bụkwa ụzọ dị mkpa na-egosi ogo ndụ na nka obodo. E ji asụsụ akụzi ihe

dabara adaba. Asụsụ na-emetụta akụkụ ndụ na agwa mmadụ, Liberman na Ndụka (2000) sịrị na o siri ike ịchọta omenala ma ọ bụ omume mmadụ nke ga-agbanwe ma asụsụ adịghị ya. Isayev (1977:86) sịrị: "Asụsụ bụ ihe kachasị mkpa doro anya obodo nwere" E nweghị ihe dị ka obodo ma e nweghị ntọala asụsụ. Ihe ọ na-akọwa na tupu obodo enwee nhazi, nchịkọta na ọganihu asụsụ dị mkpa ka obodo gaa n'ihu n'ihe ọbụla ọ na-eme.

Ọ gaghị abụ ikwegbu nwa okwe na ji isi na asụsụ ka e ji enwe mmekọrịta na ịkọwapụta ihe ndị ọzọ. Obodo ọbụla na-enweghị asụsụ ga-enwe ọgbaaghara na nghọtahie, ókòró, ọbataosu, esemokwu, ndọrọndọrọ dị ka ụzọndụ ha. Ọgbaaghara ndị a juru n'ala Igbo, n'ihi ejighị asụsụ kpọrọ ihe, enweghị mmasị ịmụ ma ọ bu ịsụ ya, etinyeghị ya n'ọrụ, anaghị agba ndị na-amụ ya ume ịsụ ya, nne na nna anaghị akụzi ya n'ụlọ, ndị gọọmentị anaghị akwado ya. Ihe ịmaaka n'ihu ndị a mere asụsụ Igbo ji na-achọ ịnwụ anwụ taa. O so n'otu asụsụ mba ụwa ndị ọkammụta asụsụ UNO kwuru na akụmakụ, anụmanụ, ụkpara, mmiri ọma, ala, akụkọ, ịdịnotu ha, agụmagụ ọdịnala, omenala na nkwenye ha dị iche iche, abụ ọdịnala, egwu ọdịnala na ejije dị iche iche ga-efu n'ime iri afọ abụọ na ise na-abịa n'ihiatụghị nkọ na agaghị n'ihu.

A ga-anabata asụsụ (Igbo) dị ka ụzọ e si echekwa omenala anyị dị iche iche. Ọ bụ asụsụ anyị ka anyị jị akọwa omenala anyị, ejirimara anyị dị ka obodo ka ọ ghara ifu efu na ịnwụanwụ. Site n'omenala na ọdịnala nke asụsụ nne anyị ka e si elebara ime ime obodo na ụzọakụ, mmekọrịta, gburugburu na nke echiche na akparamagwa ma bụrụ na ihe ndị anọrọ n'usoro, ha na-eme obodo ka ọ dị mma.

## Asụsụ Igbo na Usoro Ọmụmụ ya

Usoro ọmụmụ asụsụ nke agụmaakwụkwọ National Policy on Education - NPE (1981) sịrị na usoro ọmụmụ ihe na praịmarị ga-abụ n'asụsụ gburugburu (ogige) nwata, ya bụ asụsụ nne jiri zụọ nwata. Ọ bụrụ na ndị nne na nna bido n'ezinaụlọ sụwara ụmụ ha asụsụ Igbo, maka asị kụziere nwata ụzọ ọ ga-aga o tolite ọ gaghị ahapụ ụzọ ahụ (Akwụkwọ Nsọ, Ilu 22:6). Nke a mere gọọmenti jiri tie iwu na "National Policy onEducation" (2004) si: A ga-eji asụsụ e jiri chuo nwa ara kuziere ya akwụkwọ n'afọ atọ nke mbụ n'ụlọakwụkwọ, maka na nwa chefuo ihe niile, ọ gaghị echefu ara nne ya. Ndị nne na nna hapụ iji asụsụ Igbo zulite nwa ha ọ ga-abụ ihe nramahụ oge nwa ahụ bidoro akwụkwọ ọ ga-adị nwata dị otu ahụ ka a na-akụziri ya asụsụ nke abụọ ($L_2$) o si na ntị nke a baa o si na nke ọzọ pụọ. Ndị Gọọmenti nwekwara atụmatụ ikuziri ndị okenye site n'asụsụ nne ka ha nwe ike ịgụ na ide (Adult Education).

## Asụsụ na Mwulite Obodo

Vaughn (2000) n'ime akwụkwọ mbipụta Apress (2000), sị na asụsụ anyị bụ ngwa ọrụ dị mkpa e ji ewulite obodo.Ọ bụ mgbe e ji asụsụ anyị zụpụta ndị ndu ha bara uru ka obodo ga-aga n'ihu nke ọma nwee ọganiihu na mwulite. Obodo Chaịna, Fransi, Itali, Jamani, Japanụ, Griiki, Indịa dgz ji asụsụ ha amụ ihe niile a na-amụ na sayensị na nkanụzụ. Ndị anyị na ha soro bụrụ mbaụwa nke atọ agbalahụla anyị n'ọsọ. Ha bụzi ndị na-asị anyị gasiwe ike. Obodo dị ka Chaịna, Japan, Arab, Indonesia, Itali, Fransi dgz ji asụsụ ha eme ihe niile e ji asụsụ eme n'ọmụmụ sayensi na ọrụakpụmakpụ. Ndị Igbo etinyeghị anya na mmiri iji asụsụ ha eme ihe obodo ndị a kpọrọ aha ji nke ha eme. Ndị Igbo enweghi afọojuju n'ihe ha nwere, ha na-ahụta ihe ha mere dị ka nke etozughi etozu maọbụ adịgboloja.

Obodo Chaịna na Fransi anyị na-ekwu maka ọganiihu ha taa bụcha obodo ndị nwere ọtụtụ olundi, ma n'ihi na ha malitere iji asụsụ obodo ha eme ihe ọbụla taa ha na-eri uru ya. Nke a nyere ndị ọha obodo ha ọrụ. Ha nweere onwe ha n'eziokwu.

## Ọmụmụ Asụsụ

Ndị gọọmentị haziere anyị usoro ọmụmụ asụsụ nke a ga-enyere ndị Igbo aka ịga n'ihu. Onye a na-azọ aghaghị ịzọ onwe ya. Ndị Igbo ga-atụgharị ụkwụ egwu, hụ obodo ha n'anya. Ọrụ mwulite obodo bụ ọrụ dịịrị onye ọbụla ma ndị gọọmentị, nne na nna, ụmụakwụkwọ, ndịọchịchị dgz. Ọ dị mkpa iji asụsụ obodo ga-aghọta enwe mkparịtaụka, mmekọrịta, n'ọmụmụ, n'ụlọikpe, n'ụlọahịa, n'ụlọọgwụ, n'ọdụụgbọala, n'ụlọụka n'ime obodo dgz. Ọ bụrụ na onye ọbụla etinye aka n'ozi, ọ ga-aga nke ọma dịkwa mfe. Nke a ga-eme ka ndị Igbo bụrụ ndị asụsụ ha na-ejere ozi; ewetara ọganiihu, mmekorịta, mkparịtaụka bụrụkwa ebe na-ewu ewu amaara nke ọma na mbaụwa.

Asụsụ obodo dị mkpa iji zie ndị obodo ozi maka ihe na-eme gburugburu ha na gọọmentị gbasara ọchịchị, ọnọdụ akụnaụba, ahụike, azụmahịa, ọrụ ugbo, ofufe, ụlọ ikpe. N'ọnọdụ ahụike ha ga-ama ụdị ọgwụ ha ga-aṅụ ebe ha ga-eje, idowe ogige ha ọcha, ihe aga-eme ụmụaka na-arịakarị ọrịa ịba iji gbochie ụmụnje ọrịa dị iche iche. Ihe a ga-eme iji zere ọrịa ndị na-efe efe - ọrịa obirinajaọcha, ọrịa ebola, ụkwara ume ọkụ (ntuhị) mgbe e jiri asụsụ Igbo kọwaara ndị obodo ihe ndị a, ọ ga-eme ka ọnọdụ ahụike ndị mmadụ gaa n'ihu, dịkwa mma. Nke a ga-eme ka ha mee ihe a ga-eme iji gbochie ọrịa na ọnwụike. Ndị dọkinta na ndị nọsụ na ndị na-arụ n'ụlọọgwụ, ụlọ ahụike ga-eji asụsụ Igbo agbasara ndị mmadụ ozi, dee ihe ha ga-aghọta, gwakwa ha okwu n'asụsụ ha. Dr. Chukwuezi kwadoro nke a n'akwụkwọ Igbo ga-adị (2006:56). Ndị dibịa Igbo ndị gara ụlọakwụkwọ ndị okenye ga-enwe ikegụtalie ma deekwa ọgwụ ha chọrọ inye ndị mmadụ.

## Asụsụ Nne na Ọrụ Ugbo

A bịa n'ọrụ ugbo, ọ bụrụ na e nye ndịọrụ ubi nkọwa na ọzụzụ gbasara ọrụ ubi n'asụsụ Igbo, ọ ga-enyere ha aka ịghọta ka ha ga-esi rụọ ọrụ, lekọta ubi, zụọ anụ ma gbochie ọrịa na ihe mbibi ndịọzọ ma ghọta ụzọ kacha mma iji rụọ ọrụ ubi ma nweta uru - akụnaụba na ya. Nke a ga-enye aka inwe nri ebe ọ ga-abụ atụrụ tawa, dị nyafụ nyafụ. A ga-enwe ntụakụkụ dị iche iche, nchekwa na mmụba ihe oriri dị iche iche, na iwu ọba na ọhịa mkpụrụ osisi dị iche iche dgz. Ebe ọ bụ na usoro ọrụ ubi n'ala Igbo anaghị enyechara anyị aka, mgbe ndị na-ahụ maka nke a jiri asụsụ Igbo kuziere ndịọrụ ubi, obodo ga-eto eto, mepee ma gaa n'ihu, agụụ ga-ala azụ, elu abụrụ anyị ala ọsa. Ha ga-amụta ịzụ azụ, ichekwa ala, igbochi ọrịa mkpụrụ akụkụ na nkemkpụrụ osisi, fetịlaịza, ngwaọrụ ndị e ji akọ ugbo, ichekwa mkpụrụ akụmakụ, ịzụ na ire ihe e wetara n'ubi. Nke a ga-enye aka ibite ego n'ụlọ akụnaụba ndịọrụ ubi na ichekwa ego.

## Asụsụ na Sayensi na Nkanụzụ

Onyeje (2010) sịrị na iji asụsụ nne akuzi sayensị na tekịnụzụ ga-eme ka ọnụ ngwaahịa dị ala ebe ọtụtụ ndị ga-amụta ọrụ, nwekwa akaọrụ, kpata ihe ha ga-eri. Ezikeojiakụ (2007) sị na ọ bụrụ na e jiri asụsụ nne kuziere ndị obodo nkanụzụ ha ga-aka amụta ya, jiri ya mepụta ọtụtụ ihe ga-abara ha uru na ndụ, kpata ego wulite obodo ha. Ọmụmaatụ bụ nkanụzụ na asụsụ nne. Ha ga-esite na nkanụzụ nke ha kpụọ igwe e ji eghe garị, apa nkwụ, apa akpụ, igwe e ji eti akị, emèude, akpụ mma, ube, ngụgụ, mgbọ ogbuniigwe, efere, ụzọ, gbamgbam, ngwa egwu, akpụ ite, akpụkpọụkwụ, ajịanụ, nri dị iche iche, ngwaọ̀gụ, site na nkwụ mepụta

ihe e ji eme ncha na nkata. Anyị na-eji ogho anyịekwepụta akwa dịka akwete, ashoke w.d.g. Nke a ga-eme ka ndị na-enweghị akaọrụ nweta mabelata agụụ na-agugbu ndị mmadụ

## Asụsụ na Kọmpụta

FRN (2004:17,24) sịrị na National Policy Ndi Gọọmentị nyere ya dị ka iwu ikuzi kọmpụta n'ụlọ akwụkwọ iji nye aka n'ọmụmụ asụsụ nne na mgbasa ozi, nkanụzụ na mkparitaụka. Ụmụakwụkwọ ga-eji nke a kpọrọ ihe n'ụlọ akwụkwọ ebe ha ga-eji kọmpụta arụ arụmarụ,mụọ asụsụ matakwa ụzọ esi akpọpụta okwu na nke a. Ndị gọọmentị ga-enyere anyị aka n'ọzụzụ ndị nkuzi na ibute kọmpụta site n'ụlọakwụkwọ praịmarị ruo sekọndiri na nke mahadum. Ụlọọrụ Redio na TV ndị ọzọ na-agbasa ozi n'ikuku ga-aga n'ihu imepụtakwu ejije na akụkọụmụaka ndị na-azụ agwa. A ga-enwe ọba akwụkwọ ụlọakwụkwọ dị iche iche. Mgbe ụmụakwụkwọ gara mgbagha maọbụ iji asụsụ sọrịta mpi, ụlọọrụ TV ga-egosi ha ọhaneze, nyekwa ha ihe nrịte dị iche iche. Asụsụ olunne ga-eji otu a na-esi etu, ụmụaka ndị a ga-eto wee bụrụ akpụta ọkpụ mmadụ - ide ji ụlọ ndị e ji eme ọnụ ma nwee ike zụpụta ndị ọzọ. A ga-etinye akụkọifo, abụọdịnala na agụmagụ ọdịnala n'usoro ọmụmụ ihe n'ụlọ akwụkwọ iji chekwaa"iwu asụsụ nne, asụsụ obodo anyi. N'ime Egonụ (2009), Basden (1965) sị ni e ji asụsụ ahazi ụzọndụ ndị ntorọbịa site n'abụifo, akụkọ ifo dị iche iche dị ka Anigoro. Ọ sịna abụ na-akụziri ndị na-eto eto omenala, uri, ọdịnaala nke egwu na nke okpukperechi.

Ndịọbanchekwa ihe ọkpụ ga-edozi ụlọọrụ ha nke ga na-akụziri ụmụakwụkwọnaọhaneze mgbe ha bịara ileta ha. E jiri asụsụ nne na ogige na-emeputa ihe eserese, akpụrụakpụ, atụrụatụ na apịrịapị, ihe ọdịnala dị iche iche, katuunu (ihe ngosi) na imepụta ebe a na-azụahịa, mkparitaụka, ihe mere n'ụlọakwụkwọ, n'okporoụzọ, n'ụlọikpe, n'ụlọọgwụ - asụsụ nne ga na-abawanye.Ndị nkuzi ga-enye aka kụọ okooko osisi dị iche iche nke ha ga-eji kụziere ụmụakwụkwọ ihe a na-akpọ nke ọbụla. Ụlọakwụkwọ ọbụla kwesiri inwe ụlọnchekwa ihe ọkpụ iji kuziere ụmụakwụkwọ omenala na ọdịnala ụfọdụ. Ha ga-emepụta ihe ngosi di ka agwa - nne, nna, ụmụaka n'ezinụlo, ndị okenye, obodo, eze na dibịa dgz.

## Ụzọ Nchekwa, Ntute na Mbawanye Asụsụ Nne

A ga-atụ atụmatụ ụzọ dị iche iche a ga-esi chekwaa, tutee ma hazie ihe ndị fọdụrụnụ n'asụsụ nne ugbu a ka ha ghara ịnwụ anwụ. Nke a ga-abụ site n'ide nkọwaokwu. Ndị dị ka G. E. Igwe, Kay Williamson, M.Y.C. Echeruo, w.d.g. nwere ndi ha depụtara ugbu a, ọzọ bụ na a ga-eji igwe na-ekwu okwu nweta nkuzi ndị okenye na okwu ha kwuru na CD ROM. A ga-eji kọmpụta na CD ROM nke Morrison na Peterson (2003) nke dị n'ọrụ Onowa Mclvor (2003) rụọ ọrụ a. A ga-eji kọmpụta na akwaụwa (internet) chekwaa ozi ndị a. A ga-ewerekwu oge gbasaa ozi, kuzie ihe na Redio na TV, kuziere ọhaneze ihe ga-enyere ha aka na ndụ. Ndịnkuzi na onwe ha ga-agakwa ọzụzụ iji kọmpụta akuzi ihe. A ga-esi otu a depụta omenala na abụọdịnala dị iche iche n'akwụkwọ, sikwa otu a dee akwụkwọụmụaka na-amụ ihe dị iche iche n'Igbo.

## Atụmatụ Mbaụwa na Asụsụ Nne

Site na nkọwa ndị UNESCO na ndị UNO sị mbaụwa MDG gwa anyị, a kọwara obodo Naịjirịa dị ka ndị nọ n'ụkọ nri, ndị na-enweghị ezigbo ọkụ, ndịọnụọgụgụ ha na-amụba, ndị

na-enweghị igwe ọrụ; ndị nwere nramahụ nke njem, ndịọnọdụ agụmaakwụkwọ ha dị ala na ndịọnọdụ ahụike ha na-adịghị mma. Naịjirịa, site na nkọwaa, ha ga-erute ala e kwere ha na nkwa n'afọ 2015 ma ọ bụrụ na e kpochapụ:

- Ụbịam na agụụ
- Mee ka onye ọbụla gụọ akwụkwọ, ma nwata ma okenye - mara agụ ma mara ede
- Mee ka ọnọdụụmụnwaanyị gbagote, ha abụrụ ndị nwere ikikere ime ihe ha chọrọ ndị onụ na-eru n'okwu
- Ọnwụike nke ụmụaka, ibelata
- Ọnọdụ ahụike ụmụnwaanyị na-enye nwa ara ga-adị mma
- Ibu agha megide orịa obirinajaọcha, ọrịa mmịnwụ (HIV/AIDS), ebola, ọrịa ịba na ụmụnjeọrịa ndịọzọ
- Ịhụta na idowe ogige na gburugburu anyị ọcha ma chekwaa ha.

A ga-enwe nchịkọta otu dị iche maka mwulite na ọganihu nke obodo mgbe e mere ekwurunọnụna ederenakwụkwọ ndị a eme, jiri anya hụ ha ma nwapụta ha, ihe ga-adị mma. Ọ bụrụna akiilu tọọ ihe ọ dara na ntị n'ọnụ, ndị na-achị achị na ndịha na-achị, onye ọbụla rụọọrụ dịịrị ya, ihe ga-aga nke ọma, obodo anyị ga-abụ bịa lere. Gọọmentị zisaa, gbasaa ozi n'ụlọọrụ dị iche iche dịka ụlọọgwụ, ụlọikpe, ọdụụgbọala, ọdụụgbọelu, ahịa dgz n'asụsụnne, mwulite obodo ga-abụ nke anyị.

## Mmụta

Ndị obodo chọrọmmụta ga-ewulite mmụọ ha na mmasị ha iji gaa n'ihu na mmụta agụmaakwụkw ọha na ụmụ ha ebe ha chọpụtara na mmụta na-agbanwe ọnọdụ mmadụ, karịa itinye aka na mpụ na ihe ọjọọ dị iche iche. Ndị ntorọbịa ga-agụ akwụkwọ maka uru na ọganiihu dị na ya site n'asụsụ ha. Onye ọbụla ga-eketa oke ya n’achịcha a, a na-anyawa n'obodoNaịjịrịa. Ihe ọjọọ dị iche iche - mpụ na arụrụala ga-agba ọsọ n’ihi na ndị obodo esitela n’asụsụ nwere onwe ha.

## Ịrụ Ụlọ

Ndị obodo site n'olu a gbaziri ha n'asụsụ ha, ga-amata ka e si aga n'ụlọ akụnaụba bite ego ha ga-eji ewu ụlọ ebe dị ha mma. Mgbe e ji asụsụ Igbo akuzi ihe ebe niile ọ ga-eme ka ụlọọrụ gọọmentị nye ọtụtụ ndị mmadụ ọrụ ebe onye ọbụla na-ede Igbo na-asụ asụsụ nwanne ya na-aghọta.

## Ofufe

Ndị ukọchukwu mụtara asụsụ Igbo ga-eji ya na-agbasa oziọma n'ime obodo n'etinyeghị Bekee ma ọ bụ chọọ onye ntapịa kama onye ọbụla ga-anụ, ghọta ihe Ótú kwuru na ihe ahịa zụrụ. Ọ bụrụ na ndị gọọmentị ahazie mmemme ọbụla maka ọnọdụ ọchịchị, akụnaụba, ahụike, azụmaahịa, ikpe, ofufe dgz, ndị mmadụ ga-aghọta ya nke ọma n'ihi na ọ bu n'asụsụ ndị obodo ka a ga-aghọta ya ma were ya nweta ọganiihụ obodo. Nke a ga-eweta udo, ọganiihu, ịdịnootu n'ime obodo. Mgbe e nwere idịnootu n'etiti ndị Igbo, ọnọdụ akụnaụba obodo ga-aganiihu karịa ịgbasa agbasa.

Nwafọ Igbo bụ onye a ga-agba ume ka o gosipụta mmụọ mkpali ịjụ ajụjụ, ichepụta ihe, ịrụsi ọrụ ike, idi uchu n'ihe e ji aka emepụta, itụ nkọ, inwe nghọta, iji aka mepụta ihe na iji anya, akọnuche mepụta ihe. Ihe niile ndi a chọrọ asụsụnne. Ọ bụrụ na ndị ọchịchị ndị Igbo ga-etinye uchu na mwulite asụsụ Igbo ihe dị egwu ga-adị n'inye asụsụ Igbo ndụ kwesiri ya. Ha ga-echeta na nwata nna ya gụnyere okụ n'aka, ọkụ anaghị eregbu ya. Mgbe e ji asụsụ wulie obodo, omume ọjọọ ga-ala azụ n'ihi na onye ọbụla ga-adịuchu, ọchịchị anyị n'ezie ga-abụọchịchị onye kwuo uche ya.

**Ihe a ga-eme (Aro)**

Ezinaulọ ọbụla ga-amalite ịsụ Igbo ebe ọbụla.Ndịnne na nna ga-akuziri ụmụ ha ịsụ na ịgụ asụsụ Igbo.Ndị nkuzi Igbo inweta ọzụzụ dị mma, dị uchu n'ihe ha na-akuzi.Gọọmentị ịma iwu nwata akwụkwọ ọbụla ime ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ala Igbo niile.

- Nwata na-emeghị ya agaghị enwe ohere agụmakwụkwọ na Mahadum.
- Ndị Gọọmentị ga-agba mbọ nye ndị na-eme ọmụmụ asụsụ Igbo ohere agụmakwụkwọ n'efu.
- Ndị Gọọmentị ga-enye ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ogo ọbụla ohere ọrụ.Onye ọbụla gbaa mbọ mụọ asụsụ Igbo.
- Ndị ọchịchị niile ga-amụta ịgụ na ide ma sụọ Igbo n'ọgbakọ ọbụla ohere agụmakwụkwọ ndị okenye n ' ime obodo.
- Ụlọọrụ dị iche iche inwe ebe a na-akuzi asụsụ Igbo.
- Ndị Gọọmentị mụbaa ma tinyekwuo oge e ji akuzi Igbo n'ụlọ akwụkwọ na oge eji emeputa ihe n'ụlọ onyonyo maọbụ nke nta akụkọ ndị ọzọ.
- Ndị Igbo malite ịgụ akwụkwọ e dere n'asụsụ ha.
- Ndị odee malite ide akwụkwọ agụmagụ ndị okenye na nke ụmụaka n'Igbo.
- Ndị Gọọmentị tụgharịa iwu na-achị obodo Naịjirịa n'Igbo ka onye ọbụla mata ihe iwu kwuru. (Nigerian constitution).
- Gọọmentị zụpụtakwuo ndị nkuzi asụsụ Igbo ga-enye aka na-akuzi Igbo n'ime obodo.
- Rọpụta ihe ndị e ji enyere ndụ aka ka ọ gaa n'ihu.
- Gọọmentị gbasaa ozi ahụike, ozi ọchịchị, ụlọikpe, nzụkọ na ọgbakọ n'Igbo.
- Ndị odogwu na ndị ọkammụta dị n'ala Igbo inye aka ime ka asụsụ na-eto eto.
- Ịhazi mgbagha isiokwu dị iche iche n'ime ime obodo.
- Ịhaziri ụmụakwụkwọ mgbagha na ịsọ mpi n' asụsụ Igbo.
- Inye ndị mere nke ọma ihe nrite na ihe agbamume.
- Gọọmentị imepụta kọmpụta asụsụ Igbo.

**Mmechi**

Ọmụmụ asụsụ Igbo na-ewetara ndị mere ya taa ohere ọru. Anyị na-arịọkwa ndị Gọọmentị na ndị ọchịchị niile no n'ala Igbo ka ha muọ asụsụ ma jiri ya chịa ndị nọ n'ime obodo ma gbasaara ha ozi n'asụsụ Igbo. Oge agaala mgbe a na-asị e ji Igbo eme gịnị? E ji ya arụ ọrụ Bekee? E ji ya akpata ego? Taa a na-achọ ndị gụrụ Igbo achọ ka e nye ha ọrụ ọ kachasị ndị nke gụrụ ya n'ogo B.A/B.Ed, M.A. maọbụ Ph.D. Agwa ọ gbasaghị m dị n'etiti ndị Igbo, ọ kachasị ndị guru akwukwo na-erute ndị Igbo ahụ n'asụsụ ha. Echiche ha bụ na ọ bụ ndị na-amaghị ihe ekwe na-akụ bụ ndị na-amụ asụsụ Igbo. Ụmụ Igbo kulienụ, bilienụ n'ụra na chi abọọla. Leenụ ka mmiri erughi eru na-achọịmagbụ anyị. Tụfịakwa! Chukwu ekwekwala. Onye tinye aka, onye tinye aka obodo adị mma, n'ihi na agbakọ agbakọ nyụọ mamịrị ya agbọọ ụfụfụ Ekwe kụọ ama agbaa. Ọ nọ n'ụzọ, ọnọ n'ama ụkwụ egwu adagharịala pụtanụ ka anyị jiri asụsụ Chineke jiri chọọ anyị mma, nyere onwe anyị aka maka ọdịmma anyị, ọganiihu, idinotu, mmepe, mwube, na mwulite obodo ala Igbo Chineke nyere anyị. Ndị Gọọmentị, nne na nna, ndị nkuzi, ndị ọchịchị, ndị ahụike, ndị ụlọikpe dgz, bilienụ, tetanụ n'ụra. Asụsụ Igbo etetala n'ụra. Onye ọbụla tinye aka ka anyị lụọ ọgụ imegide ọnwụ asụsụ Igbo ma ji ya wulite obodo anyị. Sụwakwanụ Igbo oge ọbụla, ebe ọbụla, Igbo ga-adịo o. Igbo ga-adịrịrị ooo. Ndeewonụ.

## Edensibịa


Agbada, E.O. (2006). Linguistic Study of the Languages of our Environment. Effurum: Ụs Fast-B1.

Brubaker, Rogers (1996b). Nationalism Reframed. Nationhood and the National Ọuestion in the new Europe. Cambridge: Cambridge University Press.

Egonu, N. G., (2009) Igbo Language in Depressed Economy at the 9th National Conference on Language, Linguistics and Literature in Depressed Economy at Federal College of Education, Abeokuta.

Egonu, N.G., Njimezi, J.C, Egonu, E.C. (2010). Indigenous Language Imperatives for Technological Development In the *ICACD Journal, Cultural Perspectives of Development for Africa*. Kumasi, Ghana.Vol.I.

Emenanjo, E.N. (1996). "OLUMEFULE" *Odenigbo 1996*, Owerri Assumpta Press.

Ezikeojiaku, P.A. (2007) "Indigenous Languages for Science and Technology" In Anasiudu,B.N; G.I. Nwaozuzu and C.N. Okebalama (Eds.) *Language and Literature in a Developing Country.Onitsha:* Africans First Publishers Ltd pp 114-133.

Fafunwa, B. (1983). *"Yoruba in Education"* in Afolayan A. (ed.) Yoruba Language and Literature. Ibadan UCP/UPI.

Federal Republic of Nigeria (2004). *National Policy on Education,* Lagos. Isayev, M.I (1977). National Language in the USSR: Problems and Solutions. Moscow, Progress Publications.

Nduka, D.M. (2000). "The Role of Language and Communication in National Development" *Journal of Inter-Disciplinary Studies, Vol. 2. No. 1.*

Nwigwe, Ngozi V, & Izuagba Angela. C. (2010). *Introduction to Local Content in the Language of Science and TechnoIogyfor National Development.* Department of Humanities, Federal Polytechnic. Nekede, and Owerri. Department of Curriculum Studies,A.I.F.C.E Owerri.

Onowa Mclvor (2003). Strategies for Indigenous Languages Revitalisation and Maintenance (Swampy Cree /Scottish-Canadian) *Early Childhood Development Intercultural Partnerships*. MCLVOR-CLLRNET.pdf. http://www.ecdip.org>docs>pdf

Onyeje, I.N. (2010). "Department of Indigenous Technology a sine quo non for the Achievement of sustainable technology transfer and acquisition", Electrical Electronic Engineering Department Polytechnic Nekede, Owerri.

Oyebade; S.O (1998) "Issues in the Harmonisation and Standardisation of Yoruba in Nigeria and the Republic of Benin implication for Education and Development: In Prah K.K (ed.) *Between Etinction and Distinction. The Harmonisation and Standardisation of African Languages*, Johannesburg Witwatersrand University Press pp 17-41.

Pritchett. F.M.W (1978). *Language Teaching Analysis*Geneva; Longman Ltd.

Seinde, A. (1985) *Literary Appreciation.* Ibadan, Onibonoje. Press & Book Industry Nigeria

Sinclaire, John (Eds.) (1992). *BBC English Dictionary*. London: BBC English. Harper Collins Publishers Ltd.

Ugobueze. N.M.(2010). *The Part of ourIndigenous Language in Rebranding Nigeria:* In Department of Nigerian Languages, Nwafor Orizu College of Education, Nsugbe.

Umera Okeke, N.P. (2010). Rebranding Nigeria Image Project. The Role of Language in Nation Building and National Unity.Formal School of Languages *JOSOL*, Nsugbe

Vaughn, William R. (2000). ADO Eụamples of Best Practices. Book Description. Published by Apress 2000, USA. ISBN10:189311516u/ISBN 13:9781893115163